# IGBO

## IBI N'UDO

Ibi n'udo bu mgbe mmadu na ibe ya, obodo na obodo, mba na mba, umunne na umunne, enyi na enyi, ogo na ogo, di na nwunye na-emekosi ihe onu na-enweghi nsogbu obula.

### Uzo di iche iche e si ebi n'udo

Uzo e si enwe mmekorita n'etiti mba na mba, obodo na obodo d.g.z bara uba. O nwere ike ibu site n'

a. ilukorita nwaanyi,

b. izukorita ahia,

ch. ijekorita oru na

d. ijekorita akwukwo.

Ebe e nwere ezigbo nghota na mmekorita a na-enwe udo n' ebe ahu.

Ufodu uzo e nwere ike isi biri n'udo bu inwe ihe ndi a:

i. Ihunanya ii. Ndidi iii. Nghota iv. Mmekorita.

### Uru di n'ibi n'udo

Uru di n'ibi udo bara uba.

= Ihe na-aga nke oma ebe udo di.

= Esemokwu anaghi abata ebe ahu.

= Añuri na-adi n'ebe ahu.

= Agamniihu na-adikwa n'etiti ndi ahu.

= Ibi n'udo na-eweta obioma.

= O na-eweta ogologo ndu.

= O na-eweta ihunanya na ndu ndi ahu.

## AGHOTAAZAA

Gini bu aghotaazaa? Aghotaazaa bu ederede Igbo nke ojuju na osisa na-eso. O bu ederede e ji atule nghota umuaka nwere n'ihe ha guputara.

### Ngalaba Aghotaazaa

E kere aghotaazaa uzo abuo.

(i) Aghotaazaa zuru oke

(ii) Aghotaazaa ezughi oke.

**Aghotaazaa zuru oke:** Nke a bu aghotaazaa anaghi enwe oghere n'ime ya.

**Aghotaazaa ezughi oke:** Nke a bu aghotaazaa a na-enwe oghere n'ime ya nke a na-atu anya na onye ga-aza ajuju ga-esi n'osisa edeputara n'okpuru ederede ahu were osisa nke bu eziokwu maka imechi oghere ndi ahu.

## Ihe a ga-ebu n'uche mgbe a na-eme aghotaazaa.

(1) Guo ederede e nyere gi nkeoma ka i wee mata echiche na nghota di n'ime ya.

(2) Guo ajuju dum e nyere gi nkeoma ka i choputa ihe ojuu choro n'aziza ya.

(3) Were ajuju ndi ahu zaa site ka osisa ha si di n'ime ederede ahu.

(4) Gugharia aziza gi nkeoma ka i wee gbanari ndehie.

(5) Were Igbo izugbe zaa ajuju dum.

## Uru aghotaazaa bara.

1 Aghotaazaa na-eme ka uburu umuaka na-agho nko.

2 Umuaka na-eji ya amuta ka esi agu ma na edekwa asusu Igbo.

ch. Umuaka na-eji ya amata udi atumatu okwu di iche iche e nwere n'asusu Igbo usoro a ga-

agbaso mgbe a akowaputa mputara ha.

d. E ji aghotaazaa enye nkuzi puru iche.

e. E ji ya anwale mmuo nghota di n'ime umuaka.